# Welcome

**Igbo Gemeinde**
Otu nzuko (Igbo Catholic Community ICC), St. Hedwig Gartenstadt Ludwigshafen Germany, bụ ebe ndi Igbo bi na dioyosis Speyer, ya na gburu gburu ya na-abia maka isonye n' aja misa di aso, ya na emume ndi ozo n'asusa Igbo. O bu nwa afo Igbo, Ukochukwu Dr. Kevin Nwosu hiwere ogbako a n’ afo puku abuo n' ise (2005). Ogbako a (ICC), n'agba mbo igbo mkpa nke ime mmuo ya na mkpa ndi ozo nke ndi Igbo, ya na nke ndi nwere mmasi na-ebe ndi Igbo no. ICC a ghọọla ebe anyi na- ekpe ekpere ya na ebe a na-ewulite okwukwe anyi site n'okwu nke Chineke. Dika anyi bu ndi Afrika na ndi Nigeria, ogbako a na-enyere anyi aka
ikwado omenala anyi, ka anyi hara ichefu ebe anyi si. O na-emekwa ka anyi na-ejikota onwe anyi onu dika umunne. O bu mmasi anyi ka unu na-abia soro anyi fee Chineke ma sorokwa anyi wulite omenala Igbo.

**Anschrift:**
St. Hedwig katholische Kirche
Brandenburger Str. 1
67065 Ludwigshafen- Gartenstadt Germany

**Ansprechpartner:**
Kaplan Pater Damian Chukwuma Ugwuanyi,
Tel. 06343 988 054 3
E-Mail: damian.ugwuanyi@bistum-speyer.de

**Gottesdienste:**
Anyi na ezukota n'elekere 2pm (14.00Uhr) maka ichu aja misa n'izuka, Sonde (Sunday) ikpeazu n'onwa
obula.

